IAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi

# Jizọs na Zakịọs



Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Janie Forest
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Ruth Klassen

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.



Otu ụbọchị, Jizọs na-agafe Jeriko. Joshua ebibiwo obodo a ogologo oge gara aga. Ugbua, ewughachiri ya, ọtụtụ ndị mmadụ bikwa n’ebe ahụ. Otu nwoke aha ya bụ Zakịọs so ná ndị ahụ.



Ma eleghị anya, ndị ọzọ nọ na Jeriko ahụghị Zakịọs n’anya nke ukwuu n’ihi na ọ na-anakọta ha ego ụtụ isi.  Zakịọs zigara ụfọdụ n'ime ego ahụ na gọọmentị - ma debere onwe ya ọtụtụ ihe.

Ịbụ onye ọna-ụtụ mere Zakịọs ogaranya nke ukwuu. Ụlọ ya nwere ike ịbụ nke KACHASỊ IBU ma bụrụkwa nke KACHASỊ MMA n’ogbe ahụ.



Ma ọ dịkwa mkpụmkpụ - ọ bụghị ụkọ ego, kama n'ito eto.  Zakịọs etotubeghị ogologo dịka ndị ọzọ.





Mgbe Zakịọs nụrụ na Jizọs nọ na Jeriko, obere onye ọna-ụtụ ahụ chọrọ ịhụ Nwoke ahụ si Nazaret bụ́ onye sịrị na ya bụ Ọkpara Chineke. Ma ìgwè mmadụ ahụ kpachiri ... ndị ahụ tokwara ogologo.



Zakịọs chetara otu ihe! Ọ bụrụ na o nwere ike ịnọ n’ebe ga-anọ n’elu igwe mmadụ ahụ… rịgoro n’elu osisi nke nọchiri ụzọ... ọ ga-enwe ike ịhụ Jizọs.



Mgbe Zakịọs na-arịgoro n'osisi Sikamọ, chọtara ndụdụ dị ntụsara ahụ n'alaka ndị ahụ ma nọrọ na-echere Jizọs.  “Aga m ele anya nke ọma,” ka o nwere ike iche.  “Aga m ahụ Ya n’enweghị onye ga-ahụ m.”

“Zakịọs, mee ọsọ ọsọ gbadata.” Obere onye ọna-ụtụ ahụ ekwetaghị n’ihe ntị ya gwara ya. Jizọs guzoro n’okpuru osisi ahụ. Jizọs nọ na-ele ya anya. Jizọs nọkwa na-akpọ ya!





Ọ bụrụ na ọ tụrụ Zakịọs n’anya ịnụ ka Jizọs na-akpọ ya, ọ ga-abụrịrị na o juru ya anya mgbe Jizọs sịrị, “Taa ka m ga-anọrịrị n’ụlọ gị.” Zakịọs gbadara ngwa ngwa, ọ fọrọ ntakịrị ka ọ daa.

Zakịọs nwere obi ụtọ na Jizọs ga-aga n’ụlọ ya.  Ma ndị ahụ ahụghị ya n’anya. Ha mere mkpesa na Jizọs ekwesịghị ịga leta onye mmehie dị ka Zakịọs.





Jizọs wetaara Zakịọs ndụ ọhụrụ. Zakịọs sịrị, “Onye-nwe-anyị, m na-enye ndị-ogbenye ọkara ihe m niile. Ma ọ bụrụ na aghọgbuwom onye ọbụla, m ga-akwụghachi okpukpu anọ.”

Obi tọrọ Jizọs ụtọ na ndụ ọhụrụ nke Zakịọs nwere.  Ọ na-amasị ya ịhụ ka ndị mmadụ si ná mmehie chigharịa na-eme ihe ziri ezi. Jizọs sịrị, “Nwa nke mmadụ bịara ịchọ na ịzọpụta ihe nke furu efu.” N’ụbọchị ahụ na Jeriko, Jizọs chọtara Zakịọs!



# Jizọs na Zakịọs

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Luk Isi nke iri na itoolu

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie.  Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi.  Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia!  O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi!  O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo.  Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi.  Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi.  Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile!  Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.